Mmetụta Ntọala Ezinaụlọ Na-Emetụta Ụmụakwụkwọ N'ọmụmụ Asụsụ Igbo

Chineke, Stella Obioma, PhD
Department of Arts Education,
University of Nigeria, Nsukka, Nigeria
stella.chineke@unn.edu.ng +2348063385262

Ụmị

Nchọcha a bụ maka ịchọpụta ka ntọala ezinaụlọ si emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Usoro sọvee nkọwa ka onye nchọcha gbasoro mee ya na zonu mmụta Nsụka. O jikwa usoro nsere nhatanha wee sere ụmụakwụkwọ dị narị atọ na iri asatọ na asatọ (388). E sitere n'ụmụkawụkwọ sekọndịrị ukwu niile nọ n'ụlọakwụkwọ ọhanaeze iri ise na itolu (59) e nwere na zonu a wee sere ndị a e ji mee nchọcha. Ngwa e ji mee nchọcha a bụ ederede njụmaza onye nchọcha mebere n'onwe ya nke isiokwu ya bụ Njụmaza Ntọala Ezinaụlọ n'Ọmụmụ Asụsụ Igbo (NNEỌAI). Ngwa nchọcha a nwere mkpokọta atọ na ndịna iri na ise. Miin na ndịpụ n'izugbe ka e ji hazie ihe e nwetara. Nchọpụta gosiri na ogo mmụta nne na nna nwere, tinyere ogo nnweta akụnaụba nne na nna na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ọzọkwa, ogo mkpalite ụmụaka na-enweta n'aka nne na nna na-emetụtakwa ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo. N'ihi nchọpụta ndị a ka onye nchọcha ji tụọ ụfọdụ aro, nke otu n'ime ha bụ nke a: ka ndị nne na nna na-eme ihe ndị ga na-akpalite mmụọ ụmụaka ha n'ịsụ na ịmụ asụsụ Igbo, maka ọdịmma nke ha nakwa agamnihu nke asụsụ Igbo.

Ọkpụrụkpụ Okwu: Asụsụ, asụsụ Igbo, ezinaụlọ, ntọala ezinaụlọ

Mkpọlite

Mmụta bụ ihe dị nnukwu mkpa na ndụ mmadụ. Ọ bụ ụzọ doro anya e si enweta agamnihu n'obodo. Mmụta na-adị ire site na mmekọrịta na-adị n'etiti onye nkụzi na ụmụkawụkwọ. Otu ihe na-eme ka e nwee ezi mmekọrịta n'ebe onye nkụzi na ụmụakwụkwọ nọ bụ asụsụ. Asụsụ bụ ụzọ nzikọrịta ozi dị n'etiti mmadụ na ibe ya. Ọ bu ụzọ mmadụ si eme ka ebumnobi ya pụta ihe. E wepu asụsụ, mmadụ agaghị enwe ike ịkọwa onwe ya n'ebe mmadụ ibe ya ọzọ nọ. Ọ ga-ahịakwa ndị mmadụ ahụ ịghọta ibe ha ma ọ bụrụ na mmadụ enweghị asụsụ. Nordquist (2019)

kọwara na asụsụ mmadụ na-asụ mere o ji dị elu karịa anụmanụ ndị ọzọ Chukwu kere. Mmadụ na-eji asụsụ kọwaa ihe mere n'oge gara aga, ihe na-eme n'oge ugbua nakwa nke ga-eme n'ọdịnihu, nke anụmanụ ndị ọzọ agaghị emewu. Ọ hịara ahụ ihe mmadụ na-eme n'ụwa nke na-achọghị enyemaka asụsụ. Asụsụ bara uru maka ichekwaba omenala ndị, ịzụkọrịta ahịa, ịgbanwekọrịta amamihe na itulekọrịta echiche. E jikwa asusụ amata agbụrụ mmadu si na ya.

Mkpa asusụ dị mere akwụkwọ iwu na-achịkwa mmụta ji kwado nkụzi na ọmụmụ asụsụ dị iche iche n'ụlọakwụkwọ n'ogo mmụta dị iche iche, (Federal Republic of Nigeria, 2014). N'ihi ya, asụsụ bu ihe ọmụmụ ma bụrụkwa ihe e ji akụzi ihe ọmụmụ ndị ọzọ. Ọmụmụ asụsụ n'ala Naijirịa nwere agba atọ. E nwere asụsụ ndị a na-amụ dịka asụsụ ndị mba ofesi nke French na Arabic so n'ime ha, ma nwekwaa asụsụ Bekee dịka asụsụ nke abụọ. Agba nke atọ bụzị asusụ ọdịnala Naijirịa. Asụsụ ọdịnala e nwere na Naijirịa bara ụba n'ọnụọgụ dịka agbụrụ si baa ụba. Nke a mere gọọmenti ji kwado nkụzi na ọmụmụ atọ kacha gbaa ọkpụrụkpụ n'ime ha, nke gụnyere Hausa, Igbo na Yoruba, (Federal Republic of Nigeria FRN, 2014). N'ụzọ dị etu a, asụsụ Igbo so n'ihe ọmụmụ n'ogo mmụta niile n'ala Naijirịa.

Asụsụ Igbo bụ asụsụ e ji mara ndị agbụrụ Igbo. Agbụrụ a bi na ndịda ọwụwa anyanwụ obodo Naijirịa. Dịka e kwuru na mbụ, asụsụ Igbo so n'asụsụ natara nkwado gọọmenti n'agụm akwụkwọ. N'agbanyeghị ohere ọma a asụsụ Igbo nwere, nke ọtụtụ asụsụ ala Naijirịa ndị ọzọ (dịka Tiv, Ibibio, Fulfude, Kalbari, dgz.) enweghi, ọmụmụ asụsụ Igbo, ọ kachasị n'ogo sekọndịrị na-adaghachi azụ, (Ugbor na Ogbu, 2020). Mmegharị gọọmenti etiti megharịrị iwu na-achịkwa mmụta dịka o si gbasata ọmụmụ asụsụ ala Naijirịa n'ụlọakwụkwọ nwere ike iso bute nke a. Na mgbe gara aga, ọ bụ iwu na nwata akwụkwọ ọbụla ga-amụrịrị otu n'ime asụsụ ala Naijirịa atọ ndị ahụ a họpụtara, n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị ma lee ya n'ule Sinịọ Sekọndịrị Satifiketi dịka WAEC na NECO. Ma ugbua, asụsụ ndị a abụghịzikwa iwu n'ogo mmụta sekọndịrị. Maka ogo mmụta sekọndịrị, FRN (2014) depụtara na asụsụ Hausa, Igbo na Yoruba sozị n'ihe ọmụmụ ndị ahụ nwata akwụkwọ nwere ikikere ịhọrọ maọbụ hapụ ịhọrọ n'ule WAEC maọbụ NECO. Ọnọdụ a pụrụ ime ka uche ụmụakwụkwọ pụọ n'ihe gbasara ịmụ asụsụ Igbo. Ọ bụghị naanị nke a, ka ezinaụlọ nwatakịrị si na ya pụta si elegara asụsụ Igbo anya nwekwara ike bute ndaghachi azụ n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

Ezinaụlọ bụ ebe mbụ nwatakịrị na-anọ enwe mmekọrịta na ndụ ya. Aliyu (2017) kọwara na ezinaụlọ bụ òtú mbụ, kacha pee mpe nwatakịrị hụtara onwe ya n'ime ya, nke ndị mejupụtara ya gụnyere nne, nna na ụmụaka. Ndị bụ otu ezinaụlọ na-ebikọ ọnụ ma na-emekọkwa ọtụtụ ihe maka ọdimma nke ezinaụlọ ahụ. Ya kpatara na ezinaụlọ so n'otu ihe dị ezigbo mkpa na ndụ na agamnihu nke nwata ọbụla. Aliyu (2017) mere ka a mata na ọ bụ ezinaụlọ na-atọ ntọala gbasara asụsụ mbụ nwata na-asụ, ụdị nzụlite nwatakịrị nwere, akparamagwa ya, nghọta ya gbasara ihe dị mma na ihe dị njọ nakwa ụzọ ya na ndị mmadụ si enwe mmekọrịta. Ihe ọ pụtara bụ na ọ bụ ụdị ntoala a tọọrọ ụmụaka n'ezinaụlọ ha si pụta bụ ihe na-eso akọwa ụdị akparamagwa na ụdị ndụ ụmụaka ahụ ga na-ebi. Nwatakịrị a mụnyere n'ezinaụlọ ebe a tọrọ ntọala ikwu eziokwu, ịsopụrụ ndị okenye, ịrụsi ọrụ ike, izere ihe ọjọọ dị iche iche ga-eji ụdị ndụ a wee too. Nke a ga na-apụtakwa ihe n'ihe dị iche iche nwata ahụ na-eme na ndụ ya. Ya mere n'ala Igbo, na e nwere ike isi n'omume mmadụ mere mata ezinaụlọ onye ahụ si pụta, maka na ụfọdụ ezinaụlọ nwere ụdị akparamagwa e ji mara ha.

N'ebe asụsụ dị, ọ bụkwa asụsụ e ji tọọrọ ụmụaka ntọala n'ezinaụlọ ha ka na-enweta ma na-asụ ya nke ọma. Nke a kpatara na ezinaụlọ ọbụla jiri asụsụ ọdịnala ha tọọrọ ụmụaka ha ntọala asụsụ na-enwe ụmụaka gbara mgbọrọgwụ n'ịsụ asụsụ epum ha. Ha na-esikwa etu a nweta amamihe na nka niile e ji asụsụ ahụ ezipụta. N'aka nke ọzọ, ezinaụlọ ji asụsụ ndị mba ọzọ tọọrọ ụmụaka ha ntọala nnweta asụsụ na-enwekwa ụmụaka ọnụ na-ama jijiji n'ịsụ asụsụ epum ha. Ha na-anọ ka ndị ọbịa n'ebe asụsụ ọdịnala ha dị. Amamihe na nkụzi niile dị n'ime ya bụ asụsụ na-efunarị ụmụaka dị etu a.. Muola (2022) chọpụtara na ọnọdụ ntọala ezinaụlọ bụ ihe niile gbara ezinaụlọ okirikiri nke na-emetụta nwatakịrị n'anụahụ, n'ụbụrụ, n'ọgụgụ isi nakwa na mmetụta nke obi ya dịka nwata ahụ na-etolite. Nke a mere Onyishi (2021) ji kọwaa na ezinaụlọ ga-adịrịrị mma ma ọ bụrụ na ụmụaka nọ n'ime ya ga-enwe agamnihu zuru oke na ndụ ha. Nke a gosiri na ọdịmma nke ezinaụlọ gbadoro ụkwụ na ka ntọala ọnọdụ dị iche iche dị n'ezinaụlọ ahụ siri dị. Ka o sila dị, ihe ụfọdụ nwere ike inwe mkpebi gbasara ụdị ntọala asụsụ e nwere ike ịtọrọ ụmụaka n'ezinaụlọ ha nke gụnyere ogo mmụta nne na nna nwere, ogo nnweta akụnaụba na ogo mkpalite mmụọ ụmụaka na-enweta n'aka nne na nna ha. Ihe ndị a nwekwara ike inwe mmetụta n'ebe agum akwụkwọ umụaka dị, ọ kachasị dịka o si gbasata ọmụmu asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ.

Ogo mmụta nke nne na nna nwere ike imetụta ka ụmụaka si emetadebe n'ihe ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ. Ogo mmụta na-arụtụ aka n'ebe nne na nna gụdebere akwụkwọ. Ụfodụ nne na nna gụdebere akwụkwọ n'ogo praịmarị maọbụ sekọndịrị, ebe ụfọdụ gụruru n'ogo mmụta dị elu dịka mahadum na kọleji k'edukeshọn. O nwekwara ụfọdụ agụghị akwụkwọ ma ọlị. Ụfọdụ ndị nchọcha (Nanyonjo, 2012; Juma, Simatwa na Ayodo, 2017) chọpụtara na ụmụaka ndị nne na nna ha gụrụ akwụkwọ ruo n'ogo dị elu na-aka eme nke ọma n'ụlọakwụkwọ karịa ndị nne na nna ha gụdebere dịka praịmarị na sekọndịrị maọbụ ndị agụghị ma ncha. Dịka o si gbasata asụsụ, ọrụ a chọrọ imata ka ogo mmụta nne na nna nwere si emetụta ụmụaka n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Nke a dị mkpa maka na ụfọdụ ndị nchọcha, (Nwadike, 2008) na-arụtụ aka na ọtụtụ ndị nne na nna bụ ụmụafọ Igbo na-ejikarị asụsụ Bekee azụlite ụmụaka ha, ma na-ekwukwa na ọ bụ n'etiti ndị nne na nna gụrụ akwụkwọ ka a na-ewetakarị ụdị omume a. Ọnọdụ a nwere ike ime ka ụmụaka ndị a ghara inwe mmasị ịmụ ihe gbasara asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ.

N'ịganihu, ogo nnweta akụnaụba nne na nna nwekwara ike ịdị na-emetụta ụmụaka ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Nne na nna na-enweta obere akụnaụba nwere ike ha agaghị enwe ike ịzụtara ụmuaka ha akwụkwọ na akarangwa ndị ọzọ dị mkpa n'agụm akwụkwọ ha. Ọ bụghị sọ nke a, Muthoni (2013) kọwara na ezinaụlọ dara ogbenye anaghị enwekebe ohere ileba anya n'ihe gbasara agụm akwụkwọ ụmụaka ha n'ihi oke ndọkasị na ịgba mbọ ịchọta ihe afọ ga-eri. N'aka nke ọzọ, ọ kọwara na ndị na-enweta nnukwu akụnaụba na-aka enwe obi iru ala na ohere ilebanye anya n'ihe gbasara ụmụaka ha. Ya ka o ji dị mkpa ịmata ka ogo nnweta akụnaụba nne na nna e nwere mmetụta n'ebe ụmuaka ha nọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

Ihe ọzọ nwere ike imetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo bụ ogo mkpalite ụmụaka na-enweta n'aka nne na nna ha. Atụtụ njikọta nne na nna n'ebe ụmụaka ha nọ, nke Bowlby (1980) tụpụtara na-akọwa na o nwere ihe dị ka ụdọ na-ejikọta mmetụta nke obi n'etiti nne na nna na ụmụaka ha. Na nkọwa Bowlby, nwata ọbụla nwere ụdị njikọta a oge ọ na-etolite na-enwe mkpalite ịgba mbọ n'agụm akwụkwọ ya iji mee ka obi dị nne na nna ya aṅụrị. Ọzọkwa, etu nne na nna si eleba anya n'ihe gbasara agụm akwụkwọ ụmụaka ha nwekwara ike ịbụ ihe mkpalite mmụọ nye ha. Ka nne na nna si egosi mmasị n'ihe gbasara asụsụ Igbo na ka ha si agba ụmụaka ume n'ịmụ asụsụ Igbo pụrụ ime ka ụmụaka ha na-atinye mmụọ ha n'ebe

ọmụmụ asụsụ Igbo dị. Ụzọ nke a nwere ike isi dị ire bụ site na nne na nna ịsụrụ ụmụaka ha asụsụ Igbo, nakwa ịkwado ka ụmụaka na-eji asụsụ Igbo agwarịta onwe ha okwu. Asụsụ Igbo ga-esi etu a na-enwe agamnihu. Nwaozuzu (2017) mere ka a mata na asụsu na-aga n'ihu ma na-eto mgbe ọbụla e mere ka ndị na-eto eto na-asụ ma na-amụ ya bụ asụsụ n'ụlọ nakwa n'ụlọakwụkwọ. Ọmụmu asụsụ Igbo n'ụlọakwụwkọ bụ nke a tụrụ anya na ọ ga-adị ire na ọ burụ na ụmụaka enwee ntọala dị mma na ya site n'ezinaụlọ ha siri pụta. Ọ bụ ya mere nchocha a ji chọọ ịchọpụta ka ntọala ezinaụlọ si emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

Mbunuche Nchọcha

Mbunuche izugbe nchọcha a bụ ịchọpụta ka ntọala ezinaụlọ si emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Mbunuche nrụtụaka bụ:

1. Ịmata ka ogo mmụta nne na nna nwere si emetụta ụmụakwụkwọ sekọndịrị n'ọmụmụ asụsụ Igbo;
2. Inyocha ka ogo nnweta akụnaụba nne na nna si emetụta ụmụakwụkwọ sekọndịrị n'ọmụmụ asụsụ Igbo;
3. Ịchọpụta etu ogo mkpalite ụmụaka na-enweta n'aka nne na nna si emetụta ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

Ajụjụ Nchọcha

Ajụjụ ndị a ka a guzobere maka iduzi nchọcha a:

1. Kedu ka ogo mmụta nne na nna nwere si emetụta ụmụakwụkwọ sekọndịrị n'ọmụmụ asụsụ Igbo?
2. Olee etu ogo nnweta akụnaụba nne na nna si emetụta ụmụakwụkwọ sekọndịrị n'ọmụmụ asụsụ Igbo?
3. Kedu ka ogo mkpalite ụmụaka na-enweta n'aka nne na nna si emetụta ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo?

Usoro

Onye nchọcha gbasoro usoro nchọcha sọvee nkọwa wee mee nchọcha a. Nworgu (2018) kọwara sọvee nkọwa dịka ụdị nchọcha a na-eji njụmaza, ajụjụ ọnụ na nlere anya achọpụta echiche, omumue na mmasị ndị mmadụ gbasara ihe a na-eme nchọpụta maka ya. Ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu niile nọ n'ụlọakwụkwọ ọhanaeze iri ise na itolu (59) e nwere na zonu mmụta Nsụka ka e ji mee nchọcha

a. Onye nchọcha ji usoro nsere nhatanha nweta ụmụakwụkwọ ọnụọgụ ha dị narị atọ na iri asatọ na asatọ (388) bụ ndị njiri mee nchọcha.

Ngwa e ji mee nchọcha bụ njụmaza onye nchọcha mebere n'onwe ya. Isiokwu ngwa nchọcha a bụ Njụmaza Ntọala Ezinaụlọ n'Ọmụmụ Asụsụ Igbo (NNEỌAI). Ngwa nchọcha a nwere ndịna iri na ise. O nwekwara ogoogo anọ ndị nza ajụjụ gbadoro ụkwụ wee gosi echiche ha gbasara ajụjụ dị na ngwa nchọcha a site n'ịkanye akara a (√) n'ebe masịrị ha. Ogoogo anọ ndị ahụ bụ:
Ekwesiri M Ike (EMI) = akara anọ
Ekwere M (EM) =akara atọ
Ajụrụ M (AM) =akara abụọ
Ajụsiri M Ike (AMI) = otu akara

Onye nchọcha gara n'ụlọakwụkwọ ndị ahụ e seere maka nchọcha a, nata ikikere n'aka ndịisi ụlọakwụkwọ ndị ahụ tupu o jiri aka ya kesaara ụmụakwụkwọ ya bụ njụmaza. Ọ nakọtakwara ha niile iji hụ na o nweghị nke furu efu. Miin na ndịpu n'izugbe ka e ji hazie ihe e nwetara. Ọsịsa ọbụla nwere akara miin 2.50 gbagowe bụ nke a nabatara ma jiri ya rụọ ọrụ na nchọcha a, mana nke ọbụla erughị 2.50 ka a jụrụ ịnabata na nchọcha a.

Nchọpụta
Ajụjụ Nchọcha Nke Mbụ
Kedu ka ogo mmụta nne na nna nwere si emetụta ụmụakwụkwọ sekọndịrị n'ọmụmụ asụsụ Igbo?

Tebul 1: Miin na ndịpụ n'izugbe gbasara ka ogo mmụta nne na nna nwere si emetụta ụmụakwụkwọ sekọndịrị n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

Ọgụ	Ndịna	$\overline{X}$	SD	Mkpebi
1	Nne na nna gụrụ akwụkwọ anaghị azụrụ ụmụaka ha akwụkwọ maka ihe ọmụmụ asụsụ Igbo.	1.74	0.90	Anabataghị
2	Nne na nna nwere mmụta dị elu na-aka enye ụmụaka ha nkwado n'ihe ọmụmụ abụghị asụsụ Igbo.	2.65	1.22	Nabatara

3	Nne na nna gụrụ akwụkwọ anaghị enyere ụmụ ha aka n'ihe omume n'ụlọ gbasara ihe ọmụmụ asụsụ Igbo.	2.76	1.15	Nabatara
4	Nne na nna gụrụ akwụkwọ nke ọma anaghị asụrụ ụmụaka ha asụsụ Igbo n'ụlọ.	2.60	1.10	Nabatara
5	Nne na nna nwere mmụta dị elu anaghị achọ ka ụmụaka ha jiri asụsụ Igbo na-akparịta ụka n'etiti onwe ha.	2.70	1.17	Nabatara
Nchịkọta		**2.64**	**1.14**	**Nabatara**

Tebul nke mbụ gosiri na ndị nza ajụjụ ekwenyeghị na ndina nke mbụ nwere akara miin 1.74. Mana ha kwenyere na ndịna anọ ndị nke ọzọ dị ebe ahụ nke na-egosi ka ogo mmụta nne na nna nwere si emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Site na tebul a, ndịna anọ ndị ahụ nwetara akara miin 2.65, 2.76, 2.60 na 2.70 n'otu n'otu. Nke a pụtara na nne na nna nwere mmụta dị elu na-azụrụ ụmụaka ha akwụkwọ niile ha chọrọ, mana ha na-aka enye ụmụaka ha nkwado n'ụzọ ndị ọzọ dị iche iche n'ihe ọmụmụ ndị ọzọ karịa asụsụ Igbo. Nne na nna gụrụ akwụkwọ na-aka enyere ụmụaka ha aka n'ihe omume n'ụlọ gbasara ihe ọmụmu ndị ọzọ abụghị asụsụ Igbo. Ọzọkwa, nne na nna gụrụ akwụkwọ nke ọma anaghị asụrụ ụmụaka ha asụsụ Igbo n'ụlọ. N'otu aka ahụkwa, ha anaghị achọ ka ụmụaka ha jiri asụsụ Igbo na-akparịta ụka n'etiti onwe ha.

Ajụjụ Nchọcha Nke Abụọ

Olee etu ogo nnweta akụnaụba nne na nna si emetụta ụmụakwụkwọ sekọndịrị n'ọmụmụ asụsụ Igbo?

Tebul 2: Miin na ndịpụ n'izugbe na-egosi ka nnweta akụnaụba nne na nna si emetụta ụmụakwụkwọ sekọndịrị n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

Ọgụ	**Ndịna**	$\overline{X}$	**SD**	**Mkpebi**
6	Nne na nna na-arụ na nnukwu ụlọọrụ na-achọ ka ụmụaka ha ṅomie ha karịa ịgụ maka asụsụ Igbo.	2.78	1.07	Nabatara
7	Nne na nna na-enweta obere ego na-atinye uchu n'ịzụtara ụmụaka ha akwụkwọ ihe ọmụmụ ndị ọzọ karịa nke asụsụ Igbo.	2.22	1.02	Anabataghị
8	Nne na nna dara ogbenye na-aka eji asụsụ Igbo azụlite ụmụaka ha karịa ndị bara ọgaranya.	2.96	1.16	Nabatara
9	Nne na nna bara ọgaranya na-ahaziri ụmụaka ha nkụzi pụrụ iche n'ihe ọmụmụ ndị ọzọ dịka sayensị na asụsụ Bekee ma leghara asụsụ Igbo anya.	2.64	1/09	Nabatara
10	Nne na nna na-enweta obere ego na-aka akwado ụmụaka ha ịgụ asụsụ Igbo n'ogo mmụta dị elu.	3.26	0.80	Nabatara
Nchị kọta		**2.77**	**0.57**	**Nabatara**

Tebul nke abụọ gosiri ọsịsa miin na ndịpụ n'izugbe ka ogo nnweta akụnaụba nne na nna nwere ike isi na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Site na tebul a, ndị nza ajụjụ kwenyere na ndịna nke isii, nke asatọ, nke itolu na nke iri dịka ụzọ nnweta akụnụba nne na nna nwere ike isi na-emetụta ụmụaka ha n'ọmụmu asusụ Igbo. Miin ndịna ndị a bụ 2.78, 2.96, 2.64 na 3.26. Ka o sila dị, ha ekwenyeghị na ndịna nke asaa n'ihi na o nwere akara miin 2.22. Nke a pụtara na ha ekwetaghị na nne na nna na-enweta obere ego na-atinye uchu n'ịzụtara ụmụaka ha akwụkwọ ihe ọmụmụ ndị ọzọ karịa nke asụsụ Igbo.

Ajụjụ Nchọcha Nke Atọ

Kedu ka ogo mkpalite ụmụaka na-enweta n'aka nne na nna si emetụta ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo?

Tebul 3: Ọsịsa miin na ndịpụ n'izugbe ka ogo mkpalite ụmụaka na-enweta n'aka nne na nna si emetụta ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

Ọgụ	**Ndịna**	$\overline{X}$	**SD**	**Mkpebi**
11	Nne na nna ịsụrụ ụmụaka ha asụsụ Igbo n'ụlọ ga-eme ka ha nwebe mmasị n'ebe ọmụmu asụsụ Igbo dị.	3.17	0.89	Nabatara
12	Nne na nna ileba anya na ka ụmụaka ha si eme n'ihe ọmụmu asụsụ Igbo ga-abụ ihe mkpalite mmụọ nye ụmụakwụkwọ n'ịmụ asụsụ Igbo.	2.78	1.11	Nabatara
13	Nne na nna ịzụkọta akwụkwọ na ihe omenala Igbo ndi ọzọ debe n'ụlọ ga-akpalite mmụọ ụmụaka ha n'ịmụ asụsụ Igbo.	2.81	1.11	Nabatara
14	Nne na nna ileba anya n'akara nrite ụmụaka ha na-enwe n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbo ga-eme ka ụmụaka ha na-etinye uchu n'ịmụ asụsụ Igbo.	2.79	1.05	Nabatara
15	Nne na nna ịja ụmụaka ha ike maka ime nke ọma n'asụsụ Igbo ga-eme ka ha nwee mmasị ịmụ asụsụ Igbo n'ogo mmụta dị elu.	2.24	1.00	Anabataghị
Nchịkọta		**2.75**	**1.03**	

Tebul nke atọ gosiri ọsịsa miin na ndịpu n'izugbe ka ogo mkpalite ụmụaka na-enweta n'aka nne na nna si emetụta ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Dịka tebul a si zipụta, ndị nza ajụjụ kwenyere na ndịna nke iri na otu, nke iri na abụọ, nke iri na atọ na nke iri na anọ. Ndịna ndị a nwere akara miin 3.17, 2.78, 2.81 na 2.79 n'otu n'otu. N'aka nke ọzọ, ha ekwenyeghị na ndịna nke iri na ise, bụ nke nwere akara miin 2.24. ihe ọ pụtara bụ na ha nabatara na ịsụrụ ụmụaka asụsụ Igbo n'ụlọ, ileba anya na ka ha si agba mbọ n'ihe ọmụmu asụsụ Igbo, inwe akwụkwọ na akarangwa omenala Igbo n'ụlọ na ileba anya n'akara nrite ụmụaka na-enwe n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbo ga-abụ ihe mkpalite mmụọ nyere ụmụaka ndị a n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ. Mana ndịna nke iri na ise na-ekwu na ịja ụmụaka ike mgbe ha

mere nke ọma n'ihe ọmụmu asụsụ Igbo nwere ike ime ka ha nwee mmasị ịmụ maka asụsụ n'ogo mmụta dị elu ka ha ekwenyeghị na ya.

Mkparịtaụka

Nchọpụta nchocha a zipụtara na ogo mmụta nne na nna nwere na-emetụta ụmụaka ha n'ọmụmu asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ. Nke a dabara na nchọpụta Ogbugo-Ololube (2016). Ọ chọputara na ogo mmụta nne na nna na-emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị. Ka o sila dị, n'agbanyeghị na Ogbugo-Ololube na-akọwa na nne na nna gụrụ akwụkwọ n'ogo dị elu na-aka akwado agụm akwụkwọ ụmụaka ha, nchọpụta nke a na-egosi na ndị nne na nna na-akpa oke n'ebe ihe ọmụmụ asụsụ Igbo dị. Ha anaghị enye ya nkwado ka ha si enye ihe ọmụmu ndị ọzọ. Nke a kwadoro Nwadike (2008), bụ onye mere ka a mata na ọtụtu ụmụafọ Igbo gụrụ akwụkwọ ejighị asusụ Igbo kpọrọ ihe ma ncha.

Ihe e nwetara na nchọcha a gosikwara na ogo nnweta akụnaụba nne na nna na-emetụta ụmụakwụkwọ sekọndịrị n'ọmụmu asụsụ Igbo. Nchọpụta a kwadoro nke Aliyu (2017), bụ onye chọpụtara na ogo nnweta akụnaụba nne na nna na-emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ na zonu mmụta Nasarawa dị na steti Kanu. Onye nchọcha na-eche na ihe nwere ike ịkpata nke a bụ maka na ndị Igbo ejighị asụsụ Igbo kpọrọ ihe. N'ihi ya, nne na nna na-aka atinye ego ha n'ịhụ na umụaka ha nwere nnukwu agamnihu n'ihe ọmụmu ndị ọzọ dịka Sayensị, Matematiks, Kọmputa, asụsụ Bekee na French, bụ ndị ha chere ka wee baa uru karịa asụsụ Igbo.

Site na nchọcha a, a chọpụtara na ogo mkpalite ụmụaka na-enweta n'aka nne na nna ha na-emetụta ha n'ọmụmu asụsụ Igbo. Ọtụtụ ndị nchọcha n'amụmamụ Igbo (Chineke, 2019; Onwuka na Akanwa, 2020) agbaala akaebe na ọtụtụ ndị Igbo anaghị asụrụ ụmụaka ha asụsụ Igbo. Ụfọdụ n'ime ha na-ata ụmụaka ha ahụhụ ma ha sụọ asụsụ Igbo. Ụdị nne na nna dị etu a agaghị enye ụmụaka ha nkwado ga-eme ka ihe ọmụmụ asụsụ Igbo na-anụ ha ọkụ n'obi. Nchọpụta a dabara na nke Omeh (2010), maka na ọ chọpụtara na ogo mkpalite ụmụaka na-enweta n'aka nne na nna na-emetụta ka ha si eme nke ọma n'ihe ọmụmụ ha na-amụ n'ụlọakwụkwọ. Nchọcha a gosiri na ụmụakwụkwọ na-enweta nkwado na mkpalite n'aka nne na nna ha na-aka atinye uche ma na-agbasi mbọ ike ịgụ akwụkwọ ha mgbe ọbụla. Ha na-emekwazị nke ọma n'ụlọakwụkwọ. N'otu aka ahụ, mgbe nne na nna na-asụrụ

ụmụaka ha asụsụ Igbo, na-egosikwa ha na asụsụ Igbo bara uru, ụmụaka dị etu a ga-eji asụsụ Igbo kpọrọ ihe ma tinyekwa uche n'ịmụ ya n'ụlọakwụkwọ.

Mmechi

Nchọcha lebara anya na mmetụta ntọala ezinaụlọ na-emetụta ụmuakwụkwọ sekọndịrị n'ọmumu asụsụ Igbo. Ọ chọpụtara na ogo mmụta nne na nna nwere na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ogo nnweta akụnaụba nne na nna nwere mmetụta n'ebe ụmụaka ha nọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ọzọkwa, ogo mkpalite ụmụaka na-enweta n'aka nne na nna ha na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

Aro

Nchọpụta a mere onye nchọcha ji tụọ aro ndị a:

1. Ndị nne na nna ga-agba mbọ jiri asụsụ Igbo na-azụlite ụmụaka ha, iji mee ka ụmụaka ndị a nwee mmasị ịmu asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ.

2. Ndị nne na nna ga-ejisi ike bawanye ụzọ ha si enweta akụnaụba. Nke a ga-enyere ha aka inweta ego ha ga-eji na-akwado agụm akwụkwọ ụmụaka ha etu o kwesiri.

3. Ndị nne na nna nakwa ikwu na ibe ụmụaka ga-amata mkpa mkpalite mmụọ dị na ndụ ndị na-eto eto n'ihe ọbụla ha na-eme, ọ kachasị n'agụm akwụkwọ ha. N'ihi ya, nne na nna ga na-agba ụmụaka ume, ma na-eleba anya na mbọ ha na-agba n'agụm akwụkwọ ha, ọ kachasị n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbo Nke a ga-eme ka ụmụaka nwee mkpalite ịmụ asụsụ Igbo, iji nata otito na njaike n'aka nne na nna ha.

Nrụaka

Aliyu, G. A. (2017). Influence of socio-economic status on academic achievement of senior secondary students in Nasarawa Zonal Education Area of Kanu state. *Asian Journal of Educational Research*, 4 (4), 2311-2323.

Bowlby, J. (1980). Attachment and loss. New York: Erickson Basic Books.

Chineke, S. O. (2019). Adịmire usoro nkụzi mmekọrịta na mmasị na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị ukwu n'abụ ederede Igbo. P.hD Thesis, Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka.

Federal Republic of Nigeria, (2014). National policy on education. Lagos: Nigerian Educaional Research and Development Council.

Juma, I. S. A., Simatwa, E. M. W. & Ayodo, T. M. O.(2017). Impact of family socio-economic status on girl students' academic achievement in secondary schools in Kenya: A case of Kisumi East District. M. A. Desertation, Kawasaki University.

Muola, J. M. (2022). A study of the relationship between academic achievement, motivation and home environment among standard eight pupils. *Educational Research and Reviews*, 3 (2), 127-143.

Muthoni, I. K. (2013). Relationship between family background and academic performance of secondary school students: A case of Siacago Division, Mbeere North Destrict, Kenya.

Nanyonjo, H. (2012). Education input in Uganda: An analysis of factors influencing learning achievement in grade six. Washington DC: World Bank.

Nordquist, R. (2019). What is a language? Retrieved from www.thoughtco.com/whatisalanguage

Nwadike, I. U. (2008). Igbo language and culture: Whither bound. Onitsha: Vaesity Publishing Co Ltd.

Nwaozuzu, G. I. (2017). Dialects of Igbo language. Nsukka: University of Nigeria Press.

Nworgu, B. G. (2015). Educational research: Basic issues and methodology (Third Edition). Nsukka: University Trust Publishers.

Ogbugo-Ololube, R. (2016). Impact of students' parental background on academic achievement in secondary schools in Obolio-Akpor LGA of Rivers state. *International of Research in Education*, 9 (2), 115-126.

Omeh, O. U. (2010). Influence of family background on achievement of senior secondary school students in Nsukka Education Zone. M.Ed Desertation, Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka.

Onyishi, B. O. (2021). Students' adjustment in higher institutions of learning: Implication for guidance and counseling. Ibadan: Wisdom Publishers.

Onwuka, G. T. & Akanwa, I. J. (2020). Mmetuta gbrurugburu ebe obibi ụmuakwukwọ n'ọmụmu asụsụ Igbo. *Igbo Scholars International Journal*, 13 (1), 116-131.

Ugbor, G. N. & Ogbu C. I. (2020). Educaton policy as a tool for enhancing professional development of Igbo language education in higher institutions for sustainable development in Nigeria. *Igbo Scholars International Journal of Igbo Scholars Forum, Nigeria,* 13 (1), 17-36.